# NNAPỤTA NKE DANIEL SITE N'OLÙLÙ ỌDỤM

**Daniel 6:1-28.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 423**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Chineke-gi, Onye gi onwe-gi nēfè mgbe nile, Ya onwe-ya gādọputa gi" (Daniel 6:16).**

**Iheọjọọ Naemegide Iheọma**

Otù eze ọhụụ nke aha ya bụ Daraiọs naachịachị na Babilọn, onye rọpụtara otù narị mmadụ na iri abụọ (112) ka ha bụrụ ndịisi gaanọ n'ala eze niile ahụ. Nime ndịa ka ọ rọpụtara ndịisi atọ nke Daniel bụ onye mbụ.

Mgbe niile ka mmehie naanọ n'eche ndụ nke ndị naesoụzọ Kraist nche; ọtụtụ mgbe ha gbalịa nnọọ ịchọ ihe ha gaeji taa ndị nke Chineke ụta. Ha nwere oghere iche ha nche, o wee bụrụ nnọọ ihe dị óké mkpà ka onye ọ bụla nke náekwupụta na ọ mara Kraist bie ndụ karịrị ịtaụta. Ndị ahụ niile chere Daniel nche enweghị ihe ịtaụta ọ bụla nke achọpụtara n'arụ ya. Onye kwesịrị "ntụkwasị-obi ka ọ bụ, ọ dịgh kwa mmehie ma-ọbu omume bibiri ebibi ọ bula achọpụtara n'arụ ya." Otú ọ dị, ndị isi nlekọta na ndị isi alaeze ahụ enweghị afọ ojuju maọlị. Ha wee kwekọrịta na ha agaghị achọpụta ihe ebubo iji bo Daniel, ma ọ bụghị "imegide ya site n'ihe banyere iwu nke Chineke ya."

Site na mgbe Adam na Iv mehiere na ogige Iden, ibu agha nke ekwensu megide Chineke ka nọ kwa nnọọ náaga n'iru: ajọ omume megide eziomume; ụmụmmadụ ọjọọ megide ụmụ nke Chineke. Ọ̀gụ̀ a agaghị akwụsị rue mgbe Onyenweanyị gaeweda ekwensu n'ala naọgwụgwụ ụwa. Ma tutu mgbe ahụ erue, "agēsogbu kwa ndị nile ndi nāchọ idi ndu n'uzọ isọpụrụ Chineke nime Kraist Jisụs" (II Timọti 3:12). Ma mgbe niile ka Chineke naenye ha mmeri n'ebe ndịiro ha nọ bụ́ ndị tụkwasịrị Ya obi ma were kwa obi ha niile naefè Ya òfùfè, dịka anyị gaahụ.

**Òfùfè Niile Nke Daniel**

Daniel matara na anaeche ya nche, ọ matara na ndịkom ọjọọ agbawo nnọọ izù imegide ya; ọ mara na eze Daraiọs akanyewo aha n'iwu na ọ bụrụ na onye ọ bụla gaarịọ chi ọ bụla maọbụ mmadụ ọ bụla arịrịọ rue iri ụbọchị atọ, ma ọ bụghị náánị eze, na agaatụba ya n'olùlù ọdụm. Daniel matakwara banyere onyinyo ọlaedo ahụ bụ́ nke eze Nebukadneza guzobeworo tupu oge a, na kwa ndị enyi ya atọ, Shedrack, Mishak na Abed-nego bụ́ ndị jụrụ ịkpọ isiala na ifè onyinyo ahụ. Ọ makwara banyere óké nnapụta dị ukwu nke Chineke napụtara ha site ná ịkpọpụta ha ná ọkụ n'ereere, óké ọkụ ahụ nke naenwu ajọ onwunwu náenweghị mmerụarụ ọ bụla. Ọ̀ ga enwe obi abụọ banyere ike nke Chineke ị napụta ya ma ọ bụrụ na atụba ya nime òlùlù ọdụm? É-è ọ bụghị nwoke a onye fere Chineke òfùfè "ná esepụghị aka."

N'ime ụlọntà maọbụ ụlọelu ebe ndina nke ụlọ ya ka windo ya niile ghere oghe chéé iru na Jerusalem, "ọ bụ kwa ugbò atọ n'ụbọchị ka ya onwe-ya nēgbu ikpere-ya n'ala nēkpe ekpere nēkele ekele n'iru Chineke-ya, n'ihi na otú a ka ọ nēmeri site na mgbe gara aga."

N'ọtụtụ arọ garaaga, mgbe eze Solomon kpereekpere nye Chineke n'oge ido Ụlọukwu Chineke dị na Jerusalem nsọ ọ sịrị; "Ma arọpụtaram Jerusalem, ka aham we dị n'ebe ahụ." O wee kpe kwa n'ala ndọta n'agha ha, bụ ebe adọtara ha n'agha, ọ bụrụ kwa na ha "ekpe ekpere n'ụzọ ala-ha, … na obodo ahụ nke Ị rọputaworo, na ebe ulo nke m'wuworo aha Gi di: Gi si kwa n'elu-igwe, bú site n'ọnọdu obibi-Gi guzosiri ike, nuru ekpere-ha na arịrịọ-amara nile ha" (2 Ihe Emere 6:6, 37-39). Daniel, mgbe ọ nọ nándọta n'agha na Babilọn, kpere ekpere n'imeghe windo ya niile oghe "ná-ncherita iru Jerusalem," náelepụanya n'okwukwe náncherịta iru obodo nsọ nke Chineke. N'ụbọchị taa mgbe anyị naekpeekpere, anyị naebuli obi anyị elu na okwukwe naeché iru na Jerusalem nke eluigwe ahụ, Chineke naanụ náaza kwa, dị ka O mere nye Daniel.

**Ndị iro Daniel**

N’ezie, ndị ahụ bụ́ ndị naagbalịsi ike ị chọpụta ihe iji boo Daniel ebubo nụrụ ya ka ọ naekpeekpere nye Chineke ma ọ bụghị nye eze ahụ náamaghị Chineke. N’otù mgbe ahụ ha wéé jekwuru eze wéé kwueokwu sị: “Ọ digh isọ-nsọ ị kanyere aha, na onye ọ bụla nke gārịọ chị ọ bụla ma-ọbụ madụ ọ bụla aririọ rue iri ubọchi abụa na iri, ma ọ bugh náni gi, eze na agatubà ya n’olùlù ọdum?” Eze zara sị, ihe nke náeguzosiike ka ihe a bu. Mgbe ahụ ha kọrọ eze na Daniel leliri iwu, kama ugbò atọ n’ụbọchị ka ọ naarịọarịrịọ ya. Mgbe eze nụrụ okwu a, o wutere ya nke ukwuu na ọ gbalịsịrịike ịnapụta Daniel, ma ndịkom ọjọọ ahụ chetara eze na iwu ahụ bụ ihe anaagaghị agbanweagbanwe. Lee nnọọ ka ha si kpebie ịhụ́ na ha lụpụtara ebumn’uche ha! Lee otú ha si lụsie nnọọ ọlụ ike iweta nzube ha ná mmezu!

Setan na ndị ọlụ ya na agbalịsiike mgbe niile ịkwatu ndị náesoụzọ Kraist ná ọnọdụ ha n’ụbọchị taa. Ọtụtụ ụzọ ka ike nke mmụọọjọọ n’eji adọdata ndịkom, ndịnyom, ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọbịa rue n’ọnwụ. Ihe ọjọọ ndịa dịka egosipụtara ya, itéegwú niile, sigareti niile, iji ejiji dịka ndị ụwa niile, ikwuokwu náadịghị ọcha niile, ịkwụsị ịdị náagụ ihe ọgụgụ niile nke náenweghị enyem aka na ndụ ndị nwere àtụ̀màà̀tụ̀, dịka Daniel mere, ka o wee fee Chineke òfùfè mgbe niile. Windo ha “ghere oghe náncherịta iru Jerusalem”; ha na ekpeekpere ụbọchị niile, náenye Chineke, na Ya Onweya na naedebe kwa ha site n’ụbọchị rue n’ụbọchị.

**Nime Olùlù Ọdụm**

Ná mmegide nke uche ya, ma site na nrugide nke sitere ná ndịisiala niile na ndị niile nọchịrị anya eze, eze nyere iwu ka atụbà Daniel n’olùlù ọdụm. Mgbe ahụ ọ gwara Daniel sị “Chineke gi onye gi onwe-gi na-efè mgbe nile, Ya onwe-Ya ga-adọputa gi.” Nime obi ya ọ matara na Chineke nke Daniel bụ Chineke dị ukwu ma bụrụ kwa diike, Onye ahụ nke nwere ike ịnapụta Daniel. Atụkwasịrị otù nkume n’ọnụ olùlù ahụ n’ebe edotara mgba akaakàrà eze nke pụtara na iwu ahụ bụ ihe anaadịghị agbanweagbanwe.

Ụra agaghị kwa eze n’anya n’abalị ahụ: akụghị kwa egwú ọ bụla n’obí ya, irinri adịghị kwa. Ná agbaghịagụgọ uche ya niile dị n’ebe Daniel nọ, n’ezie ọ ga enweworị mmetụta nke ịkwáụta dị omimi maka ịkanye aha ya n’iwu dị otú ahụ na ikwe ka orù nke Chienke bụrụ onye edoworo n’ihe izè ndụ.

**Nnapụta Ahụ**

Eze Daraiọs biliri n’isiụtụtụ, mgbe chi bọrọ, o wee were ọsọ ga rue olùlù ọdụm. Náenwe olileanya na Daniel dị ndụ O wee kpọ ya sị: “Daniel, Daniel, gi orù nke Chineke di ndu, Chineke-gi, onye gi onwe-gi nēfè mgbe nile, Ọ̀ puru idọputa gi n’aka ọdum?” Ịkpọ mkpu nke náesite n’etiti nkume olùlù ahụ arịgota ka ọ̀zị́zá si pụta: “Eze di ndu rue mgbe ebigh-ebi. Chinekem ezitewo mọ-ozi Ya, we kpuchita ọnụ ọdum ndia, ha emerugh kwam aru.”

Lee óké ọñụ eze nwere ugbu a! Daniel dị ndụ náenweghị kwa mmerụ arụ, “n’ihi na ọ tụkwasịrị Chineke ya obi.” Eze wee sị ka ha mee ka Daniel rigopụta n’olùlù ahụ, na ka ha tụba kwa ndịkom ahụ bú ndị bororị Daniel ebubo n’olùlù ọdụm, na ụmụ ha na ndị bú nwunye ha.

**Enyere Ndị ajọomume Ahụhụ Mmehie**

O nweghị mmụọozi ezigara ka ọ napụta ha. Chi ha enweghị kwa ike ikpuchite ha e wee nwude ha n’ọnyà esiri Daniel. Ha akaeruteghị kwa n’ala olùlù ahụ tupu ọdụm enwe ike n’arụ ha, tapịa ọkpụkpụ ha niile. Nke a bụ ọgwụgwọ nke ndị ahụ bú ndị náagba izu ọjọọ megide orù nke Chineke.

Ka anyị náecheta mgbe niile na Chineke gaenye ndị náagbalisiike imerụ ndịọzọ arụ ahụhụ. Ka anyị ghara ịbụ ndị ikpé nke “ị gwuru ndi ọzọ olùlù” gaama, ma ọ bụghị otú ahụ anyị onweanyị gaadaba nime ya. Ọ dị ọtụtụ ihe atụ nime akwụkwọnsọ nke ndị mere otú a e wee nwude ha nime ọnyà ahụ ha siri.

Devid nwere ụfọdụ ndị iro bú ndị gbalịrị nnọọ imerụ ya arụ ma nke a bụ ihe ọ sịrị: “N’ihi na ọ bu mgbe m’na-emegh ihe ka ha zoberem olùlù nke ugbu-ha, ọ bu mgbe m’nēmegh ihe ka ha gwuru olùlù nye nkpuru-obim ka ntikpọ bịakwasi ya mgbe ọ nāmagh; ọzọ, ka ugbu-ya nke o zobeworo jide ya onwe-ya: Nime ntipọ ahu, ya dabà nime ya” (Abù Ọma 35:7, 8). Heman onye obi ọjọọ, gbara izu megide Modekai onye-Ju n’ụbọchị niile nke ezenwanyị Esta. Heman edoziwo osisi mkwuba maka Modekai, ma ya onweya ka akwụbara n’elu osisi ahụ.

**Ibi Ndụ nke Nnọgidesiike**

Iheọ̀mụ̀mụ̀ ọzọ bụ́ nke anyị kwesịrị ịmụta nime akụkọ eziokwu a bụ na Chineke naelekọta ndị nke Ya bụ́ ndị náefé Ya òfùfè mgbe niile, ọbụná mgbe ha naeché mnwale dịkasịrị ike iru. Ụfọdụ ndị náetoliteetolite naachọ Onyenweanyị náání mgbe ha nọ ná nsogbu, ndịọzọ naachọ Ya náání n'oge òfùfè nrò ntute. Ọ bụrụ na ha elefuru ịgụ Okwu ahụ na ikpeekpere anya, n'oge náadịghị anya ha gaatụfụ Jisọs na ịhụn'anya Ya site n'obi ha. Cheta, Daniel ferè Chineke òfùfè mgbe niile, o kpekwaraekpere ugbò atọ ụbọchị niile.

**"Chukwu kwe ka madụ dum nēkpe,**

**Ekpere nēbup'ugwu nile,**

**Ugwu nk'obi abụa n'ezie gāgbapụ,**

**Ma ị dagh mbà nwannem n'ekpere"**

Site ná nnapụta dị otú a o werè eze anya na Chineke nke Daniel bụ Chineke dị ndụ, o wee nye iwu, sị, n'ebe niile ọ bụla a naachị n'alaezem, ka mmadụ ná ama jijiji náatụ́ egwù n'iru Ya bụ́ onye alaeze ya bụ kwa nke anaagaghị emebi, na onye ọchịchị Ya gaadịgide kwa rue ọgwụgwụ ihe niile. "Ọ bụ Onye-ndọputa na Onye-nnaputa, na onye nēme ihe-iriba-ama di iche iche na ihe-iju anya di iche iche n'elu-igwe na n'uwa; onye dọputaworo Daniel n'aka ọdum."

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ọnọdụ ọchịchị dị añaa ka Daniel ji n'ọchịchị gọment ala ahụ?
2. Kọọ akụkọ banyere izù ọjọọ ahụ megide Daniel.
3. Gịnị bụ ihe Daniel mere mgbe ọ matara na eze akanyewo aha n'iwu ahụ?
4. Mmetụta dị añaa ka eze nwere mgbe e mere ka okwu rue ya ntị na Daniel nupụrụisi n'iwu ahụ?
5. Òlee okwu nkasiobi niile eze kwuru nye Daniel mgbe atụbara ya n'olùlù ọdụm?
6. Òlee otú eze si nọ ọnọdụ abalị? gịnị kwa ka o mere n'isi ụtụtụ echi ya.
7. Gịnị bụ okwu niile nke Daniel nye eze?
8. Gịnị mere ndị ahụ bororị Daniel ebubo?
9. Òlee ọtụtụ iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nwere ike ịmụta site n'ihe a.
10. Mgbe nnapụta nke Daniel gasịrị, gịnị bụ ozi eze Daraiọs zigara ụmụmmadụ?